# *Mmepe*


MGBASAOZI

| | | |
|---|---|---|
| **Akpoputala Aha Ndi Nwetara Mmeri Na Nzere Oru Mgbasazi Nke E. U.**<br>*Otu akporo 'The Inernational Federation of Journalists akpopputala aha ndi etuwere abuba ugo mmeri maka oru ndi mgbasaozi nke European Commission's eji aha Lorenzo Natali hiwe.* | **3mins. 19secs.** | **3** |

IKPE ZIRI EZI

| | | |
|---|---|---|
| **Uws Niile Kwesiri Inwe Nchekwa Maka Oke Ruru Onye**<br>*Dika Otu Human Right Watch Siri Kwuo, Onodu nsogbu enwere maka Oke ruru onye obula n'uwa dum noo ugbua Kariri ihe ulooru di iche iche n'uwa nwere ike ilebara anya.* | **13mins.** | **6** |

AHUIKE

| | | |
|---|---|---|
| **Otu Mba Uwa Mere Emume ncheta Ubochi oria AIDS N'agbanyeghi N'oria Ahu Na-abawa-nye N'ike-N'ike.**<br>*Umu Nwoke ga-agbanwerila etu ha si eme mmekorita ha na ndi' nwayi ma oburu na-achoro ikwusi mfesa oria AIDS n'uwa. Nke a bu ido aka na nti nke otu United Nations doro mgbe o na-atu ntuala ncheta ubocchi AIDS n'uwa dum.* | **7mins.** | **8** |
| **Iluso Oria AIDS Ogu N'Afrika**<br>*Atulere mkpa o di ibuso oria AIDS Agha n'ogbako Afrika Development Forum 2000 site na nkwalite ndi niile oru a di n'aka n'ogo n'ime mba na uwa dum.* | **8mins. 13secs.** | **10** |
| **Ndi Ndu Mba Afrika Ekweghachiele Nkwa iluso Oria AIDS Ogu**<br>*Ndi ndu Mba Afrika di njikere iluso nje na-ebute oria AIDS na AIDS Ogu n'ogbako agba nke abuo Afrikan Development Forum mere n'Addis Ababa.* | **11mins.** | **9** |


# *Gburu-gburu Ebe Obibi*


IRU UNYI

| | | |
|---|---|---|
| **Zimbabwe Etiele iwu Megide Iru Unyi**<br>*Mkpebi Zimbabwe mere i ji taa ndi niile nwee ugboala n'akwo ahuru oku nha malite n'onwa Jenuwari 2001 nwere ezi nkwado nke ohaneze.* | **4mins. 17secs.** | **3** |
| **Mkparita Uka Maka Ajoo Mmiri Ogwu Abiala Na Ngwucha Na South Afrika**<br>*Ogbako agba nke ise UN noro kparita Uka i ji nwee ohere tie iwu megide ma obu gbochie kpam-kpam mmeputa na i ji mmiri ogwu aruputa ihe etu o ga emekuta ndu umu mmadu kpom kwem abiala na ngwucha na Johannesburg n'ime onwa Dizemba.* | **8mins.** | **5** |

NCHEKWA OKE-OHIA

| | | |
|---|---|---|
| **Umu Anu Ulo Abuo Di Iche-Iche N'efunari Uwa kwa Izu Uka Obula**<br>*Dika Otu Mba Uwa n'ahu maka erimeri na oru ubi siri kwuo, umu anu ulo abuo di iche-iche bara ezigbo uru n'ala n'iyi n'uwa kwa izu uka obula.* | **10mins.** | **4** |
| **Odachi Mebiri Akuko Nchoputa**<br>*Achoputara otu azu gbara Nari-nde afo ano n'akuku osimiri St. Lucia di n'a South Afrika n'ime obodo Kwazulu-Natal, ka ma, otutu ndu mmadu atufuru mebiri nchoputa ahu.* | **8mins.** | **7** |

ETU UBOCHI DI

**Ekwehi-ekwe Daputara N'ogbako Emere Maka Mgbanwe Onodu Ubochi.** **6mins. 30secs.** **5**
*Mkparita Uka emere maka mgbanwe onodu ubochi na Hague kuru afo n'ala na ngwucha nzuko were izu-uka abuo, n'ihi na, ndi Minista na ndi onochi anya abodo ha juru inabata usoro aga eji mee ka Kyoto protocol ruo oru.*

## Ebum N'uche Onye

OCHICHI ONYE KWO UCHE YA NA EZI OCHICHI

**Aguu Usoro Ochichi Onye Kwuo Uche ya N'Agu Afrika** **13mins.** **11**
*Odee akwukwo ukwu Otu Mba Uwa, Kofi Annan kwuputara ebum n'uche ya gbasara usoro ochichi onye kwuo uche ya di ka obodo ya na-eme emume nhoputa ndi ochichi n'usoro a.*

## Nkwekorita

**Oria Ebola Gburu otu Nari mmadu na iri Mmadu Isii N'Uganda** **4mins. 5secs.** **12**
*Onuogugu ndi mmadu oria ojoo a bu Ebola ji eruole, Nari ano ebe otu nari na iri mmadu isii nwere oria-a anwula n'Uganda.*

NDI INYOM NA UMUNTOROBIA

**Umu Agbobia Awagidele Mbo I ji Kwusi ibi Nwanyi Ugwu** **2mins. 8secs.** **13**
*Umuntakiri ndi nwanyi Kenya abuo e nwetata ikike site n'aka ulo ikpe i ji kwusi nna ha imanye ha ka ebie ha ugwu.*

[illegible]
ions Economic Commission for Afrika haziri ogbako ahu. Ndi biara ya kpebiri mbuso HIV na AIDS agha site n'oguguisi ha nwetagoro maka oru ha.
**di Nwanyi Ugwu 2mins. 8 secs.** Umu agboo ntakiri abuo si Kenya, enwetala akwukwo ikike n'aka ulo ikpe I ji kwusi nna ha imany
O doghi Ketu anya na o udi onyinye ahu. O choro iju nke a. Mama o

[redacted]

[redacted] [redacted]

**Zimbabwe Ehiwele Iwu Megide iru unyi** **4mins. 17 secs.**

"Obu akuko di ebube karichaa nke m nuru n'ime afo niile a eji agba mbo ime ka ndi mmadu mata ihe gbasara mmeto gbungburu obibi" Emmanuel Koro, Onye amara nke oma maka inyentuzi aka n'oru gburugburu obibi, kwuru maka mkpebi ochichi mba Zimbabwe mere i ji taa ndi nwere ugboala na emeto onodu ikuku ndu ndi mmadu na-ekuru malite n'onwa Jenuwari 2001. O so n'obere otu ndi gbarala mbo otutu afo ikuziri ohaneze ihe gbasara mmebi onodu ebe obibi, manye ndi ochichi ka ha lebara nsogbu ahu ndi isi were dika ihe ana ahukari na mba ozo anya hara ichu ha ura.

Zimbabwe enweghi iwu na-echekwa onodu gburugburu ebe obibi ya ruo afo olemole gara aga, ma ruo ugbua iwu a ezughi ezu nke na, O na-ara ahu mmejuputa n'ihi ihe mgbagwoju anya di n'ime iwu ndi ahu. Umu otu ndi ahu na-ebuso mmeto gburugburu agha kwenyere na mbo obula govumenti gbara maka mbenata mmebi gburugburu obibi, dika utuisi ohuru maka ugboala, bu iheoma ekwesiri ikpo oriri maka ya. Minista okwu ego di n'aka bu, Simba Makoni tinyere utuisi a n'ime usoro mkpata na mmefu ego O weputara n'onwa Novemba dika atumatu e ji agbasa akuko ahu ebe ohaneze noo i ji nye aka benata iru unyi, nke kacha nke, imee ka ndi mmadu mata mkpa ido gburugburu ocha di.

Nke a bu ime ihe di mma n'uzo kwesiri – ekwesi, ka ma, nha ana ata ndi dara iwu a ebughi ibu etu O ga eme ndi mmadu ka ha hara imeto ebe obibi etu omasiri ha, bu ihe Koro onye ntuzi aka oru nchekwa gburugburu n'ulo oru Afrika Resources Trust kwuru.

"Ihe anyi choro bu, usoro gbara mgborogwu ga – ejikota usoro mmuta na nke omenala banyere okwu gburugburu. Anyi choro ichikota atumatu niile gbasara nchekwa gburugburu ebe obibi n'ime ihe niile umu mmadu na – eme kwa ubochi", ka o kwuru.

Ihe omumu nke United Nations mere na nso nso a choputara n'ikuku di na Harare isi ochichi obodo Zimbabwe adighi mma mmadu ikuba n'imi, O bu ahuru oku nke onu ogugu ugboala di n'isi obodo ahu ruru, Nari puku ano na-ekuputa kwa ubochi kpatara nke a. Ndi mgbasa Ozioma maka gburugburu ebe obibi si na, ugboala kachasi buru uzo esi emeto ikuku ndu n'ime mba ahu, nke soje ya wee buru aka oru nke ulo oru mmeputa ngwa ahia di iche –iche na okpomoku ana ekupu n'ume.

*Pan Afrikan Ne ws Agency.*

**Akpoputala Aha Ndi Ritere Oke N'onyinye EU NA – Enye Ndi Oru Nta Akuko** **3mins. 9secs.**

Otu International Federation of Journalists akpoputala aha mmadu niile meriri maka nturu ugo nke European Commission ji aha Lorenzo Natali hiwe maka ndi nta akuko. Onyinye a akporo Natali prize bu nke eji aha enye burula komishona oru mmepe na ndota oke ruru mmadu, nwuru anwu wee hiwe. Ana enye ndi nta akuko na-ako maka ochichi onye kwuo uche ya na oke ruru mmadu dika uzo di oke mkpa esi enwe mmepe onyinye – a kwa afo.

N'afo – a, uzo puku Euro iri maka ndi gbara onye mbu – otu maka ndi nta akuko si European Union, nke ozo maka ndi nta akuko si South-ka ekerele mmadu ano bu akwaa akwuru. Ndi meriri n'ogo mba na emepe emepe n'uwa bu, Atiya Achak Ulwisut nke Thailand's. The Nation and Fariah Razak Haroon, na-aru n'ulo oru Pakistan's Dawn Magazine dika onye noro onwe ya. Marco Bello na Paolo Moiola na-edere Itay's Mondo e Missione na Astrid Prange, onye noo nke aka ya n'oru nta akuko nke ulooru Deutsches Allgemcines Sonntagsblatt gbara onye mbu n'ogo European Union.

"Ihe ndia gosiputara n'igbasi mbo ike na usoro aka oru nta akuko, n'aru oru di mkpa i ji mee ka amata n'ochicho oke ruru mmadu n'uzo ziriezi na –emekuta ndu ndi mmadu", nke a bu ihe Aidan

White, Odee akwukwo ukwu nke IFJ, otu n’ahazi onyinye-a kwa afo kwuru. “Ndi mere nhoputa a lebara anya n’akwukwo niile esi mba iri ano na ano zibata. Nchikota okwu site na nleba anya ha mere bu na, oru mgbasaozi okachasi N’ime Mba mmepere emepe na mpaghara North ga-etinyerila uchu na mgbasaozi banyere ochichi onye kwuo uche ya na oke ruru mmadu”.

*International Federation of Journalists*

**Udiri Anu Ulo Di Iche –Iche Na-Efu-nari Uwa Kwa Izu Uka Obula 10mins.**

Dika UN Food and Agriculture Organisation siri kwuo, udiri anu ulo abuo di iche-iche bara ezigbo uru na-efunari uwa kwa izu uka obula. “Etu nke a si eme na mpaghara Afrika di oke egwu: Onuogugu anumanu noo onodu ojoo ga-ekpochapu abawanyele site pacenti asato ruo iri na itolu kemgbe 1995”, bu ihe okwuru n’akwukwo akuko O weputara. “Onodu nnunu kacha di njo ebe udiri nnunu na – akwa njike mkpochapu bawanyere site na pacenti iri abuo n’afo 1995 ruo iri ato na ano n’afo 1999”, bu ihe O gbakwunyere.

Nchoputa ndi a noo n’akwukwo agba nke ato “World Watch List for Domestic Animal Diversity”, nke FAO na UN Environment Programme jikotara aka weputa. N’ime afo iri gara, FAO enyele aka chikota onu ogugu ihe ruru puku isii na Nari anu ulo ise site n’ime ufochi mba di, Otu Nari na iri asa. Anu ulo ndia gunyere ehi, ewu, aturu, buffalo, yaks, ezi, inyinya, ewi, okuko, torotoro, obokwu, geese, nwaeresara na enyi nnunu. Ihe ruru udiri otu puku anumanu ndi a efuole n’ime otu Nari afo gara aga. Nchaputa ohuru anyi gosiri na, anu ulo ka noo na ngogbu, Otu uzo n’ime uzo ato ugbua na-acho uzo mkpachapu”, Keith Hammond, ji okwa senior officer nke FAO’S Animal Genetic Resources Group kwuru nke a.

Puku isii, nari ato, iri asaa na itolu bu onu ogugu akuko FAO Global Databank for Farm animal Genetic Resources nwere maka anumanu iri ato na nnunu di iche – iche. Onu ogugu enwere maka udiri anumanu di iche – iche di puku ano, otu nari, iri asato na ato nke nari asaa na ano n’ime ha gwuchagoro. Otu puku, nari ato, iri ato na ise nochitere anya pacenti iri ato na abuo e nwere dika ndi onodu ha di oke njo ma o bu ikpochapu. Dika Hammond siri kwuo, kemgbe 1995 onu ogugu anumanu di iche –iche onodu ha noo n’aka onwu esile pacenti iri abuo na ato gbagoo iri ato na ise ebe obu na, mba di iche – iche agbatigo aka n’oru nyocha na ndekota onuogugu udiri anumanu ha nwere. Onodu nnunu di iche iche kacha njo ebe e nwere pacenti iri ise na otu n’afo 1995 dika anumanu noo n’onu onwu nke bawanyere pacenti iri isii na ato n’afo 1999. “O ga-adikwa egwu ma o buru n’odighi ihe emere ozugbo. Ototu anumanu bi n’ulo ndu ha noo n’aka onwu di (Puku abuo, nari abuo, iri ise na ise) nwere ike igwu n’ime afo iri abuo di n’ihu”, bu ihe Hammond kwuru, O gbakwunyere na udiri anu ulo di iche – iche e nwere bu ihe na-azuputa otu udiri ihe nke na e nweeghi ntihachi. Ka usoro ohuru eji aruputa umuihe esila nwaa i ji kwalite ndu umuanumanu, odighi mfe itighachi ndi di iche iche furu efu. O gbakwunyere na nke furu efu efuchaala”.

O siri na, nsogbu kachasi dakwasi anu ulo igba iche iche bu, mbupu anumanu site mba mepere emepe gaa mba na-emepe emepe. Nke-a na-ebutere anumanu ndi ahu imuta nwa yiri nke esi mba ozo bubata ma o bu inochi udiri anumanu e nwere n’ime obodo. Akuko a kwuru na, ndi mmadu noo na mba na-emepe emepe kwenyekariri n’ozuzu anumanu ndi ahu esi mba mepere emepe butata kacha amubakari omumu, ma nsogbu ha bu n’onodu etu mba esiri bute ha ewele ha ahu nke mere O ji esiri ha ike idi ndu ebe onodu obibi na-ata akpu n’ime mba ndi ahu na-emepe emepe. Hammond siri na ha nwere olile anya na, ndi oru ugbo ka maa Puku anumanu ano foduru n’uwa na-azuputa nwa nke oma, ka ma, nani Nari ano bu ndi eji eme ihe nlegha maka omumu nwa n’ime mba mepere emepe di iche-iche. O gbakwunyere na, “ nsogbu ana enwekari na gburugburu mba na-emepe emepe ebe

okpomoku n'ala ikpo nku mere ka udiri anumanu nwere ike idi ndu ebe ahu puo iche". Na mpaghara Sub-Saharan Afrika, enwere Nari asaa, iri ato na asato onu ogugu anumanu di pacenti iri na ise edekotara ndu ha noo n'aka onwu.

*Panafrican News Agency.*

**Ekweghi-ekwe Daputara N'Ogbako Emere Maka Mgbanwe onodu Ubochi** **6mins. 30 secs.**

Nzuko emere na Hague i ji kpairta uka maka mgbanwe ondu ubochi kuru afo n'ala. O bu na ngwucha onwa Novemba ka emere nzuko ahu were izu-uka abuo. N'ihi ekweghi-ekwe daputara na-etiti ndi Minista na ndi onochite anya mba ha gbasara etu aga esi mee ka mkpebi emere na Kyoto ruo oru. Ha ekwekoritaghi etu aga esi nwetakwuo ego na nrukorita oru na-etiti mba mepere-emepe na mba na-emepe-emepe maka atumatu mmekorita onodu ubochi na nkanuzu.

Mgbe ona- akowa mkpagbu O gabigara, Jan Pronk, onyeisi Oche ogbako ahu ma burukwa Minista oru gburugburu ebe obibi di n'aka na mba Netherlands siri na, "O bu oke ihe nwute ikowa na ndi ndu n'okwu ndoro ndoro ochichi enweghi ike ituputa usoro aga eji ruo oru maka mbenata ikuku ojoo ana ekuputa okachasi ebe ndi mmadu nwere nnukwu olilianya. Pronk siri na ya kwenyere n'idi mma nke ochichi ka nwere olileanya iganihu, "e nwerem ntukwasiobi na-anyi ga-agbakota mgbe na-adighi anya chikota okwu ga adi ire n'noru nlekota na mgbochi mgbaru ikuku ndu n'ime mba di iche-iche ebe nsogbu a kacha diri site n'aka okpomoku zuru uwa.

Ogbako a nwetara oganihu site n'ituputa usoro enyem aka ego na nyefe usoro nkanuzu i ji nye mba ndi ahu na-emepe emepe nkwado ka ha nye aka n'oru mgbanwe onodu ubochi, kama ihe bu isiokwu na nke a gunyere usoro azumahia na-etiti mba na mba maka okpomoku ana emeputa, "usoro oru mmepe chara-acha", iwu maka mbenata okpomoku site n'ushi ojoo "di omimi dika ohia na nnakwete oge nke na-agaghi ekwe mmezi n'oge di ugbua.

Onyeisi ulo oru nke UN Environment Programme siri na, "Ogbakoa tulere mkpa na mmekpahu di n'usoro eji eweda akunuba nke ikuku ruru unyi ala". "O ka mma ikwusi mkparita uka a ugbua ma malitekwa ozo mgbe achoputara usoro ga-eweta oganihu n'okwua karia iji gbalu-gbalu mebie ihe". Aga ewega akwukwo nkwenye nke maazi Pronk deputara dika okwu nhidosi nye otu di chi-iche ga-abia ogbako UN Framework Convention on Climate Change na mbido nzuko agba nke isii ha ga-eme. E nwere ike ime nzuko a ebe ngwucha onwa Mee n'obodo Bonn ebe isi ulo oru climate change di.

*This Day*

**Mkparita Uka Gbasara Mmiri Ogwu Ojoo Ga-Adi Na Mba South Afrika** **8mins.**

Mkparita uka agba nke ise UN bu nke ga-ewputa ohere i ji tie iwu megide ma o bu kwusi ebe o buru ibu mmeputa mmiri ogwu na i ji mmiri ogwu ndi ahu na-ebutere ndu mmadu nsogbu aru oru emere na Johannesburg n'onwa Dizemba. Ndi okachamara si na ndi kparitara uka n'ogbako akpororo Persistent Organic Pollutants (POPs) ebe anoro mee nkwekorita nwere olileanya ime mkpebi gbasara mkpochapu uzo mmriri ogwu iri na abuo kachaa di njo n'uwa. A ga anoo na nzuko a tuputa usoro aga eji kpochapu nruputakwu mmiri ogwu ojoo ozo inye ezi aka oru na enyem aka ego maka mba na emepe emepe. "Nke a bu ohere nye ndi mkparita uka a ituputa onodu megide mmiri ogwu ojoo na mpiachi onu n'okwu nkwekorita izizi di oke mkpa maka gburugburu ebe obibi nke puku afo ohuru a", bu ihe Cliton Curtis, Director nke WWF's Global Toxic Chemicals Initiative.

Pop bu mmiri ogwu ji nwayo egburi ihe di na gburugburu ebe obibi, nke na-aga otutu maili n'ikuku na mmiri ma, di oke njo na ndu umu anumanu na mmadu. Ha na ebute oria mburuputauwa, kansa na nsogbu di iche-iche na-etoputa mgbe di n'ihu. Oke nsogbu e nwere bu na ana choputa mmiri ogwu ojoo a n'ahu nwoke, nwanyi, nwata na anumanu niile noo n'uwa.

South Afrika achoputala onu ogugu pop niile kwesiri mkpochapu. Ha gunyere ogwu eji egbu ahuhu na mmriri ogwu dika aldrin, dieldrin, endrin, chlordane, hexaclorobenzene, Mirex, toxaphene na heptachlor, edepuchaala, aha niile. Pops nwere nsogbu di iche-iche o na-ebutere onodu ahuike na gburugburu ebe obibi. Ha na nyekwa akunuba na azumahia mmekpahu. Mmwepu ihe ndi a na ebughinuche ruputa dika, dioxins, Furans na PCB niile bucha ngwa aruputara n'otutu usoro nruputa ngwa ahia ka edeputara n'akwukwo aga elebara anya puru iche.

Otu akporo Global Alliance for Incineration Alternatives (GAIA) kwenyere n'igba ihe oku ga-akwusirila ka e wee jiri usoro ozo gunyere i ji ihe mebiriemebi ruputagharia ngwa ozo nwee ezi onodu ma wulite idi mma n'oru nkanuzu iji wachie nsogbu na ila ogwuahuike n'iyi. Nkwekorita nke uwa gbadoro ukwu na nkwusi igba ihe mebiriemebi oku ka ehiwere na South Afrika idakota, onu na mkparita uka ikpeazu nke govumenti na ibe ya kparitara. Ihe kariri ndi oru nlekota gburugburu ime obodo na ndi oru ahuike ohaneze iri asaa si mba iri abuo na ato ejikotala aka n'oru nkwalite uzo ozo ka igba ihe oku mma, i ji gbaa mbo kpuchite onodu gburugburu ebe obibi na oru ahuike nke ohaneze.

Otu mba di iche-iche n'ahu maka onodu gburugburu ebe obibi mere mkpesa na mmalite mkparita uka ahu, wee kpoo oku ka a nwee nkwekorita zuru uwa nke ga-aru ezigbo oru i ji kpachapu ufodu mmiri ogwu ndi ahu ama na ha di oke njo.

*All Afrika.com*

**Uwa Niile Kwesiri Inwe Nchekwa Maka Oke Ruru Onye** **13 mins.**

Otu akporo Human Rights Watch, siri na, etu nsogbu maka oke ruru onye si di n'uwa taa, O kariziri ihe ulo oru di iche-iche nwere ike igbochi. Nyocha otu a mere kwa afo gbasara onodu oke ruru onye na gbururgburu uwa, kporo oko ka "etinyekwuo uchu na-atumatu oru a n'uwa dum" i ji kwudosie ike n'aka mgba nke oru a chere n'ihu.

Akuko Human rights Watch World Weputara maka afo 2001 tupu emume ncheta ubochi oke Ruru onye n'abali iri nke onwa Dizemba kowara etu onodu oke ruru onye siri tolite na mba iri asaa n'ime afo gara-aga. O tulekwara etu ndi mba ukwu uwa siri tunye onu n'okwu di mkpa gbasara mmegide oke ruru onye. Akuko Human Rights Watch World kwuru na, azumahia gburugburu uwa na nhiwe ulooru ga-enye nchekwa buru-ibu maka oke ruru onye. Akuko a gara n'ihu kwuo na United Nations chokwuru uzo i ji nye aka kwusi ogbaaghara ma mbenata nsogbu di iche-iche ndi gbara osondu noo n'ime ya.

Mba niile n'uwa tinyere United States ga-agbakwu mbo I-nyere usoro ikpeziriezi nke mba uwa niile tinyere ulo ikpe uwa na-ekpe ikpe ndi mpu aka. KENNETH ROTH, Onye ji okwa Executive Director nke otu Human Rights Watch, siri na "enweghi ulo oru gbara mgborogwu n'uwa nwere ike ilebara okwu gbasara oke ruru mmadu anya n'oge a etu okwesiri". "Anyi Choro ilebara ihe ndi ahu uloru obula na-apughi ime anya ngwa-ngwa". Otu n'ime ogba aghara elebara anya n'akuko ahu bu nke gbasara omume Russia mere oge o na alu agha n'obodo Chechnya megide otutu mmadu na-abughi ndi agha. United Nations mapuru Russia n'iwu, Moscow gbanahuru nha nke otu mba niile n'uwa gara ita ya maka aka oru ya n'a mba Chechnya.

Aru di iche-iche ka ahuru n'ime mba Sierra Leone n'ime afo itolu ogu dara ebe ahu na-agbanyeghi njide onye ndu ndi agha nnupuisi ebe ahu. Mbo niile nke mba uwa dum gbara i ji hiwe ulo-ikpe na-ekpe ikpe mpu emere n'oge aghara na mba Sierra Leone anaghi enwe isi etu okwesiri. Ndi agha noo na Colombia akwusibeghi mmekorita ha na ndi oru yiri ndi agha bu ndi amara nke oma maka mmegide

oke ruru mmadu. Usoro onyeisi ochichi US bu Cliton ji maka onodu oke ruru onye ebe “Atumatu Colombia” noo, iji napu ya oke site na-enyem aka US na-enye, edole anya na O ga akpalite iwe megide umu mmadu maka oke ruru ha.

Ochichi mba Indonesia enyebeghi ndi nkiti ahu noo na West Timor azuru dika ndi agha, bu ndi na ahu maka igba ohia oku na mmebesi ihe di n’ala na mpaghara East Timor n’afo 1999 iwu ka ha kwusi omume ojoo ahu. Ndi agha na-enupuru ochichi obodo isi na mba Ambon na Aceh na-elegha usoro ochichi ndi nkiti ebe ndi agha noo. Israel zahachiri Palestian okwu n’ihi njeghari iwe o mere na-ekpesa maka onodu ndi agha jiri nogide mpaghara West Bank na Gaza n’aka ike na-ebute kari otutu ndi nkiti onwu ebe ahu.

Dika emume ncheta afo iri ise nke ulo oru United Nations High Commission for Refugees na-abia nso n’abali iri na ano nke onwa Dizemba, ufodu mba mepere emepe n’uwa na-ahusi anya n’ihi ahuhu ha tara maka nlekota ndi a gbara-oso-ndu anya. Mba ndi ahu mepere emepe mgbe gboo hiwere otu UNIHCR, Kwesiri iburu oru ituta ego na nnabata ndi gbara-oso-ndu n’ala ha n’isi karia mba ndi ozo.

Otu Human Rights Watch siri na, akunuba uwa dum amitala ezigbo mkpuru ihe enwe-enwe, otutu ohere, na oru. Mkpesa di iche – iche emere n’okporo uzo n’afo olemole gara aga na mba Seattle, Prague, Washington D.C tinyere mba ndi ozo na-egosiputa mbawanye ndi mmadu ubiam ji aka na ndi oru na esi mba gafee mba ozo kwa mbge. Otu Human Rights nyere ntuzi aka di mkpa i ji lebara otutu nsogbu dika, onodu nke ufodu govumenti na ulo oru ji erite uru n’oge aghara, mgbe ana atule okwu aghara na-ada na-etiti ndi di iche – iche n’uwa.

N’ime atumatu oru a, aga enye ndi oru ohere inwe otu jikotara ha ma ha choo –mbulite ugwo oru na ezi onodu oru ha elu. Nke ozo bu na,nkwusi ikpaoke ga-enye aka mee ka ndi niile ana emegide-emegide enwezi ohere iri uru ahuhu ha tara dika ndi ozo si erite.

Ikwanyere Odimma Umu mmadu na oke ochichi ugwu tinyere ikike nhoputa ndi ochichi, ga enyere ndi ana emegbu-emegbu aka inwe onu n’okwu odimma na ntolite akunuba obodo ha, nke gunyere mbulite ugwo oru elu, mkpuchite ndi isi otu jikotara ndi oru etu ana agaghi emekwuta ha ihe obula, I mee ka iwu megidere ikpaoke ruo ezi oru, igbado anya ebe ulo oru ndi ahu ji ndi oru ya mere ohu noo ma o bu, ihu n’odimma umu mmadu bu ihe ebunobi wunye ulo oru obula okwu gbasara oke ruru onye agaghi enye ikike otu udiri ugwo oru kpom kwem, onodu eji aru oru ma o bu ntuzi aka n’usoro oru. O nweghi ike iwepu onodu ahaghi n’otu n’ike mkparita uka ma O bu wepuchaa nkewa niile gbasara odimma umu mmadu. Oke ruru onye ga-enye obodo tozuruoke n’okwu ochichi ohere ikwu uche ya, ma nyekwa ndi mmadu na gburugburu uwa ikike itunye onu n’okwu mmepe di n’uwa.

*Human Rights Watch*

**Odachi Mebiri Akuko Ihe Nchoputa** **8mins.**

Otu azu gbara Nari Nde afo ano akporo coelacanth fish n’aha bekee ka achoputara n’ofe osimiri nke ST. Lucia di na South Afrika, n’ime obodo Kwazulu-Natal. Azu ahu ana akpo oke anu bi n’ime osimiri n’ihi akuko gbasara etu o di, ka echere n’odighikwa ozo wee ruo mgbe achoputara azu nwuru anwu n’ime oshokolo eji egbu azu n’ofe East London, South Afrika n’afo 1939. Edere akuko nchoputa –a n’akwukwo mgbasaozi di iche – iche n’uwa. Ndi oru ikpo omimi mmiri mmadu abuo nwetara vido ejiri see Coelacanth isii di mita isii n’ogologo n’ime n’omimi n’akuku ebe ndi mmadu na a noo agbra anya ha keresimesi.

Nchoputa di egwu emere na mbido izu-uka a nweziri odachi mgbe otu onye okpo omimi mmiri di afo iri ato na ano bu Dennis Harding nwuru ebe o na ese azu ahu unyunyo. Onye nke ozo akpoghi aha ya banyekwara na nnukwu nsogbu, ma emechara zoputa ya. Afo abuo gara aga ka Riaan Bouwer onye akpoo omimi mmiri ozo nwuru otu ebe ahu mgbe o na cho azu ahu.

Onye okachamara n'ihe gbasara coelacanth si mba South Afrika, Dokita Phil Heemstra choputara na azu ndi ahu bu coelacanth. Edeputala ST. Lucia dika ebe izizi South Afrika nwesuru ihe akuko si n'okpu fere n'okpu n'uwa (South Afrika's First World Heritage Site). Aturu anya na nchoputa ohuru a ga-akwalite onodu ya maka ndi njem nkiri. Udiri azu a norugoro ndu ruo aburu iri Nde ato, bu, amamatu ikpeazu nke udiri crossopterygians, ngiri ya di ndu-ndu yiri ukwu na aka ga-etoputa ma emechaa.

Ndi Sayensi kwenyere n'akara ikpeazu ahu bu ebe anu ukwu-ano bi n'elu ala siri toputa. Nchoputa azu a puru iche na mmiri South Afrika n'afo 1939 dika nchoputa anu bi n'ime mmiri nke ndi oru oke osimiri mere. Otu onye Sayensi mba South Afrika bu J.L.B. Smith, mgbe O nuru akuko nchoputa a n'akuku Indian Ocean Islands nke Madagascar na Comoros, gbasara akuko gburugburu ebe ahu ma kwe nkwa ikwu Otu Nari Pond maka nweta azu yiri nke ahu. Mbo ya kuru afo n'ala ruo afo 1952 mgbe ejidere Coelacanth nke abuo n'ofe Cormorian Island nke Anjouan.

Govumenti South Afrika gbazinyere Smith na ndi otu ya ugboelu ndi agha akporo Dakota i ji fega Cormorian Island butu azu ahu. Ejidere otutu Coelacanth ruo afo 1980, Otutu n'ime ha ka ezigaru ebe ana echekwa ihe okpu na mmiri ebe ana azubuta azu maka omumuihe. Ona-emetuta ndi Sayensi n'obi, n'obuladi ka ana agba mbo inweta oyiri azu ahu maka omumuihe di omimi, ha na-etinye ndu udiri azu ahu n'onu ownu. Ahubeghi Coelacanth ozo n'ime mmiri di na South Afrika ruo Izu-uka-a. Enwere otu nari, iri abuo na ise udiri Coelacanth dika edekotara n'akwukwo Fossil ma, nani otu udi ka foduru ma, onodu ya bu nke na-akwado nwuchapu.

*Panafrican News Agency*

**U.N. Mere Emume Ncheta Ubochi AIDS N'agbanyechi Mbawanye Nke Oria a N'abawanye.** **7mins.**

United Nations adola aka na nti kwuo na ndi nwoke ga-agbanwerila omume ha n'okwu mmekorita nwoke na nwanyi ma O buru na-achoro ikwusi mfesa oria odurunajaocha na egbu umu mmadu aghara-aghara. O doro aka na nti a mgbe O na-ehiwe World AIDS Day. Nje oria AIDS efesaala gburugburu South Afrika, O na ejidesikwa Mba Asia aka ike ma na-acho mfesa n'ime mba ndi a bara ogaranya nwere ike izutali ogwu mgbochi oria AIDS bu nke di oke onu. U.N.Si n'onu ogugu mmadu n'uwa dum bu oria AIDS ma obu nje na-ebute oria a kariri Nde iri ato na isii ebe Nde mmadu iri abuo nwugoro n'uwa dum n'ihi oria AIDS. Oria a na-ebuso imeahu mmadu agha site na mmekorita nwoke na nwanyi, igbanye mmadu obara onye ozo n'ahu na i ji otu alanga adu karia otu onye ogwu. Afrika bu ebe oria a kacha hinye udu kama, Asia na Russia nakwa eketa oke oria a na-efesa n'ike - n'ike.

Ihe nkuzi Mgbasaozi nke afo a akporo "Ndi Nwoke gbanwee nuu" gbadoro isi na nzipu ozi nye ndi nwoke na umu okorobia ka na-etolite-etolite gbasara mmekarita ha na ndi nwanyi aghara-aghara, eyighi condom, na-akpacha purughi onodu ahuike anya na-ebute odachi a. Dika UNAIDS, otu na-chikota ulooru dum n'ahu maka mbuso oria AIDS agha siri kwuo, mgbe obula nwoke bu oria a na nwanyi mekoritara, O na eduba nwanyi n'onwu n'ihi na, ahu ndi nwanyi na-anabatakari oria a ngwa-ngwa.

Onye nkwuchite onu nke otu ulo oru na-aluso AIDS ogu siri na, “aturu anya na ndi nwoke gbasiri ike onu ahu, zuo oke n’uche, ha anaghi atuegwu ma kpara ume. Ufodu ihe ndia aturu anya n’aka ndi nwoke ka ana ahuta site etu ha si eche-echiche na akparamagwa nke na-ebutere ahuike nwoke na nwanyi ha abuo na enwe mmekorita nsogbu” O dee akwukwo ukwu nke otu U.N. bu, Kofi Annan si na, “ndi nwoke nwere ike i mee otu okpurukpuru ihe di iche……. site n’gosi obiebere karia, i weputu aka n’ihe ndi ahu na-ebutekari nsogbu na ilekwasi okwu banyere AIDS anya”, akuko UN weputara n’abali borochi ubochi emume ncheta AIDS n’uwa dum siri na,olileanya e nwere maka odimma n’okwu a, gbadoro ukwu na nkwusi mfesa oria a nye aburu nke ozo na-abia n’ihu site na mbasaozi nkuzi gbasara mmekorita nwoke na nwanyi na nkwalite i ji condom eme mmekorita.

Emume ncheta ubochi AIDS n’uwa dum bidoro n’oku nke ndi Minista mba uwa oru ahuike di n’aka kporo n’ogbako ha mere n’onwa Jenuwari 1988 maka oru mgbochi oria AIDS. Emume a bu nani nke uwa niile ji achikota oru mbuso AIDS agha afo obula.
*CFC*

**Ndi Ndu Afrika Ekwupatala Ozo Njikere Ha Iluso AIDS Ogu** **11mins.**
Ndi ndu Mba Afrika ekwukwala ozo, njikere ha di i ji luso HIV na AIDS ogu. Ha kwuru nke a n’ubochi ikpeazu nke ogbako agba nke abuo emere n’onwa Dizemba maka mmepe Afrika. Na mkparita uka ha gbasara imaka n’ihu nke HIV na AIDS maka mmepe ala Afrika, ndi ndu a tulere enyem aka di oke mkpa nke nchikota ndi mmadu di, na ndi ochichi ibulite nkuzi megide nsogbu oria a na-ebutere ohaneze. Onyeisi ochichi mba Uganda bu, Yoweri Museveni kwenyere na nkuzi di etu a ga-eme ka ohaneze nuru nke oma akuko gbasara nsogbu oria a na-ebute. Ikike nzuko ndisi ochichi obodo, ebe ndi ndu obula kwuru okwu n’otu-n’otu ka onyeisi otu OAU bu, Salim Ahmed Salim bu onyeisi oche n’ogbako ahu kwuru na nsogbu AIDS aburula nnukwu ihe ima aka n’ihu nye ndi ndu obodo dika edeputara ya n’isi okwu nke ogbako a. Mba Ethiopia, Botswana, Rwanda, Malawi, Chad na Senegal kowara n’otu-n’otu njikere obodo ha di i ji kwusi AIDS.

Prime Minista Meles Zenawi nke Ethiopia kowara na ya ahughi ihe ga-eme ka Afrika hara iganihu na-agha O na-alu maka Odinihu nke ala Afrika dum. O kwuru na, “Ihe achoro bu, ntinye aka n’oru nke onye ukwu na onye nta i ji buso oria ojoo a agha”. Museveni onye ndu izizi n’Afrika amara maka mbuso oria a na-efesa n’obodo agha, kowara na, mkpu etiri banyere AIDS n’ogbako ndi ndoro-ndoro ochichi, site na mgbasaozi Redio na Televishon tinyere ebe ogbako ndi oha obodo, mere ka Uganda nwee ike matachaa ihe dum gbasara oria mfesaa.

President Mogae nke mba Botswana siri, “aga ario ogbe anyi noo na mba mepere emepe ka ha doo ulo oru ndi ahu amara nke oma na-emeputa ogwu anya, iruputa ogwu eji egbochi oria AIDS n’onu ego di ala etu ndi Afrika ga-enwe ike izuta ya. Onyeisi Ochichi Mba Rwanda kpoturu atumatu Great Lakes Initiative on AIDS ehiwere n’afo 1999 aha. Atumatu a bu nke mba Afrika jikotara aka ma na achikota mbo ha niile i ji luso oria a ogu. O gara n’ihu kowaa na, nani pacenti abuo bu onu ogugu ndi Rwanda nwere oria AIDS na ngwucha mkpochapu ndu mere n’afo 1994, kama onu ogugu a gbagolitere na pacenti iri na out n’afo 1998. O gbakwunyere n’ochichi ya na-enye ndi oria a ji ogwu mgbochi AIDS n’onu ego di ala. Osoje onyeisi ochichi Mba Malawi siri na, i mee ka nweta ogwu mgbochi oria AIDS di mfe bu ihe di oke mkpa ma burukwa ihe ndi ndu Afrika ga-eji mere isi okwu na nzuko ha dika umuntorobia biara nzuko a siri mee mkpesa n’akwukwo ha deputara. O gara n’ihu kowaa , “Anyi kwesiri ikwu maka nkagbu ugwo anyi ji kpam-kpam, O bughi ibudata ya ala”, ka O di ugbua, Ugwo Afrika ji mba ozo di Nari Ijeri US Dola abuo, iri abuo na asaa.

President Yamassoum nke mba Chad gwara ogbako ahu na nani mmadu abuo butere oria AIDS na mba ahu n'ime afo 1986, ma ugbua ihe kariri puku mmadu iri na abuo ka oria a jizi aka na mba Chad. O siri n'onu ogugu a "e nweghi ebe O ruru:, ebe ndi okachamara na-edeputa onu ogugu ndi bu oria AIDS na mba Chad, di na-agbata puku iri ano na puku iri ise. O kowara, "anyi biara ogbako a imuta ihe site na akonuche ndi ozo nwere maka nluso oria a ogu.

President Niasse nke Senegal Choro ka e nwee usoro di ezigbo ire eji aluso oria a na-efesa n'ime obodo ogu. Odee akwukwo ukwu nke otu OAU bu, Salim Ahmed Salim siri na O di mkpa i mee ka ozi niile e nwere n'ogbako a, ruo "ndi Afrika na ndi niile anyi na ha tinyere aka na mbo a nti ngwa-ngwa". O gwara ndi noo n'ogbako a ka ha tinye uche na "nkwekorita aga eweputa na ngwucha ogbako a nke ha ga-adi njikere imejuputa ma ha hapu Addis Ababa". Salim Siri na mkpebi obula emere n'ogbako a ga-eru nzuko puru iche nke OAU maka AIDS na okwu ndi ozo nke a aga eme n'onwa Eperelu n'Abuja, Naijiria.

*CFC*

**Iluso AIDS Ogu N'Afrika** **8mins. 13 secs.**

O di mkpa iluso HIV na AIDS ogu n'usoro ya bu oria si efesa site n'ikwalite otu na ndi ulooru obula n'ime mba di iche-iche nakwa uwa dum tinyere uchu na mbuso oria a agha. O kwesiri ekwesi i nwe ezi mmekorita na-etiti ndi niile oru a gbasara, okachasi oha obodo, ezinulo na onye obula aga enyerila ikike ihu maka okwu gbasara oria HIV na AIDS. O di mkpa ngwa-ngwa i mee ka ulo oru obula nwee usoro di iche-iche zuru oke ha ji elebara nsogbu HIV na AIDS anya n'udi omume na mgbanwe ulooru ha nwere.

Nke a bu ufodu mkpebi emere n'ogbako ADF 2000 biara na ngwucha na nso-nso a . Isiokwu e nyere ogbako ahu bu, "HIV/AIDS: Nnukwu Ihe kachaa chere Ndi Ndu Aka Mgba". Otu United Nations Economic Commission for Afrika haziri ogbako ahu. Ndi biara ya kpebiri mbuso HIV na AIDS agha site n'oguguisi ha nwetagoro maka oru ha. Oha obodo di iche-iche matara nke oma uzo ha ga-esi lebara oria mfesa a anya ma enye ha ohere. Ekwesiri iji usoro omenala na nke na-abughi usoro omenala nweta ego ma mee ka govumenti mawaputa ego nke ya iji luso oria a ogu.

O di mkpa ka otu mba uwa megharia atumatu ha di iche-iche eji elebara onodu a yiri ilu ogu anya. A ririo ulo oba ego uwa (World Bank) aririo ka. O tulegharia uche gbasara ihe ego O ga-agbazinye maka atumatu oru AIDS ga-eweta. Otutu ndi kwuru okwu ebe ahu kporo oku ka akagbuchaa kpam-kpam ugwo ha ji ma gbanwe ego ha birile dika ego e nyere ha na-efu. Agwara govumenti ka O hiwe usoro ga-aga were-were i ji zigara oha obodo obula ego. E kwuru okwu gbasara mkpa nhiwe otu mba na mba n'ime obodo di. Mmejuputa okwu ndia ka atulere: ntinye aka n'oru nke oha obodo, nkesa mgbasaozi, Onuogugu mmadu nwere oria AIDS (PLWA), ndi Inyom na oha obodo ikwudosike, nlekota na enyem aka tinyere i nye ndi oria AIDS ogwu.

E sepughi onu n'okwu gbasara mkpa O di, i mee omume-omume karia Okwukwu-Okwukwu n'ogbako ahu. A gbara ndi niile aka ha di n'oru a ume i ji gbasie mbo ike n'oru ha maka oria a bu HIV na AIDS. E nwetala oganihu gbara okpurukpu kemgbe amalitere otu International Partnership Against HIV/AIDS n'onwa Jenuwari 1999. Mkpokota oru n'usoro ochichi ebe O di ukwuu, bu ihe e nwatara n'ogo otu mba di iche-iche. I ji maatu, ekwulitere okwu banyere AIDS n'ogbako Security Council mere ebe onye ji okwa Secretary General hiwere otu mmekorita oru a n'onwa Seputemba 1999. Umuihe e ji akwalite mkpokota oru a site n'aka ndi n'ahu maka ya abawanyele n'ogo otu mba na mba nke uwa. N'ogo nke mba n'onwe ya, otu International Partnership Against HIV/AIDS e meele

ka e nweta mbawanye okwu ochichi na idi njikere, mbulite atumatu di iche-iche, nkesa oru a n'ogo mpaghara oha obodo tinyere mbulite mkpokota usoro di ire eji kpata ego.

*CFC*

## *Uche Onye*

**Usoro Ochichi Onye Kwuo Uche Ya N'agu Afrika Aguu** **13mins.**

E nwere otu okwu ndi ala m bu Ghana na-ekwu: nani otu onye anaghi eme mkpebi. Ana m eche nke a oge obula m nuru ndi mmadu kwuru n'usoro ochichi onye kwuo uche ya bu nlo-nlo n'ala Afrika, ma O bu n'Afrika "adighi njikere" maka usoro ochichi onye kwuo uche ya. Nke bu eziokwu bu na, oha obodo di iche-iche n'Afrika malite n'ime ogbe gawa, nwere omenala ha ji ekpebi okwu site na mkparita uka etu odoro anya nyocha echichi onye obula di iche-iche wee ruo mgbe ha kwekoroitara na nke bu eziokwu.

N'ihi nke a ndi Afrika nwere otutu ihe mmuta site n'omenala ha na ihe ha ga-akuziri ndi ozo gbasara eziokwu na-ezi uche maka usoro ochichi onye kwuo uche ya putara. Anyi kwesiri ighota ihe usoro ochichi onye kwuo uche ya putara karia i mata onye otu ndoro-ndoro ochichi ma O bu otu ndoro-ndoro ochichi nwere ndi nkwado karia ibe ya. Nke a anaghi adicha mfe mgbe dum, dika otu n'ime usoro ochichi onye kwuo uche ya n'uwa nwere oganihu karichaa, O mere ka anyi mata nke a na nso-nso-a. Ihe irahu nke US agaghi eme ka e nwee obi abuo gbasara uru ochichi onye kwuo uche ya bara n'onwe ya. N'aka nke ozo, ha echeterele anyi etu O siri di mkpa i mee nhoputa ndi ochichi site n'igbati aka na ndoro-ndoro nke ochichi n'ulo oru na omenala. Usoro ochichi onye kwuo uche ya gbadoro ukwu n'usoro iwu, n'ihi na nnupuisi n'iwu ga-eme ka O sie ike i mee nhoputa ndi ochichi n'uzo kwuru oto ma O bu dozie esemokwu daputara n'oge nhoputa ndi ochichi.

Na ezie, ochichi onye kwuo uche ya ji onuogugu kachaa aru oru. Nke ahu aputaghi na ndi onuogugu ha pere mpe agaghi atunye onu na mkpebi di iche-iche. Agaghi ekpudo echiche ha ite. Ndi a onuogugu ha pere mpe, nwere ohere mgbe dum i kwuputa ihe di ha n'obi ka ndi mmadu nwee ike nuru olu ha na nke ndi onuogugu ha kariri, tupu e kpebie mata onye ozirile. Kedu etu ndi mmadu ga-esi muta atumatu ndia? N'ogo nke ime obodo, ha nwere ike imuta ya site n'ihutari ihu n'ihu. Ma n'oge a mmadu dizi otutu, O buzi usoro mgbasaozi ka ha lekwasiri anya. I ji mee ka nhoputa ndi ochichi hara i nwe ntubo, aga enye otu ndoro-ndoro ochuchi ohere nhatanha n'ulo oru mgbasaozi niile. Ima mmadu na ikike i nwe ego ekwesighi ka O nye otu nke a ohere karia nke ozo. Ulooru gbasaozi ga-amatarila eziokwu maka ohaneze, ma dikwa njikere ikwuputa nke bu eziokwu etu ha siri hu ya. Otutu mgbe, okachasi n'oge ogbaaghara, O na eme ka ndi oru nta akuko jiri ndu ha chuo aja. Otutu atufuole ndu ha ebe ha na-acho imata nke bu eziokwu. Anyi ji ha ugwo buru oke ibu. Ugwo anyi ji onwe anyi bu, I nye ha ezigbo nchekwa. O bu maka odimma na nwere onwe anya ka ha na-eguzoziwe.

Ebe ochichi onye kwuo uche ya katara ahu noo otu ndoro-ndoro ochichi na ibe ya na-agbanwe-rikota onodu ikike na-adighi n'otu na-etiti ha, dika uche onye na-agbanwe ka ndi onu ogugu ha kacha n'abuzi ndi nke ha kacha pee mpe. O bughi ebe dum ka nke-a na-eme. Oputaghi na otu niile onu ogugu ha pere mpe bu ndi mmadu echiche ha na-adabaghi n'usoro ochichi juputara na ha. Otutu pere mpe n'ihi etu esiri hiwe ha -ndi mmadu iji echiche hiwe otu di iche nke elekwasiri aburu, ucha, omenala ma o bu okwukwe anya. Oburu na ejiri onodu ndia aguputara hiwe otu ndoro ndoro ochichi, nke meriri ibe ya na nhoputa obula emere agaghi ekwe ndi emeriri emeri nuo mmiri togbo iko Otu ndoro-ndoro ochichi nta noro n'isi ochichi, o gaghi ara ahu nchupu n'okwa ochichi, n'ihi na, otu ndoro-ndoro ochichi nte nweghi ikike olileanya mmeri.

Usoro ochichi onye kwuo uche ya ga- aru oru nani ma otu niile o nabatara na ha so n'ime ya ma kwerekwa na o bu nke ha. N'otu aka ma o bu nke ozo, o putara na, ana enye otu ndoro ochichi nta ikike gbara mgborogwu. Ufodu ebe, e nwere ike i mee nke a site n'ikpokota ya onu, I ji mee ka otu ndi nke obere ahu di na mba ahu dum nwee ike merie n'ime obodo ebe ha ga ejikota buruzi otu na ada uda ebe ahu. Ebe ozo, e nwere ike I mee nke a site n'inye otu ndi nta ohere izite ndi onochi anya ha n'ulo nzuko ukwu omeiwu ma o bu n'isi ulo oru ochichi ma obukwa n'ime ha a buo. Ihe di mkpa abughi usoro e jiri mee ya, kama ihe e nwetara site na ya.

O di mfe ikwuputa okpurukpu okwu ndi ahu ma, onaghi adi mfe mgbe dum itinye ha n'omume,okachasi na mba siri n'ogbaghara puta na nso-nso ma o bukwa mba ndi bi na ya dara ogbenye na aguu. Ndi mmadu noo na onodu di otu a, ka ndi a ji ikike eweghara ochichi na-edughe ngwa-ngwa. Ihe ha na-ekwu bu na ike usoro ochichi iwu obodo bu ihe oke onu ahia nke mba ndi a dara ogbenye na-apughi inwetali. Ka anyi e sila nuu okwu a otutu mgbe, " ochichi onye kwuo uche ya malitere gboo". Onye aguu ji anaghi anu nti.. Anyi amatala otutu oge, okachasi n'Afrika na, o bughi ndi ochichi na-enyeju ndi ogbenye afo. Anyi amutala na ochichi onye kwuo uche ya malitere gboo na- ekwesiri ikesa ikike n'ime ezinulo na-etiti ndi nwanuyi na ndi nwoke ma site ebe ahu ruo ogo steti na nke uwa dum.

Mmegide abughi uzo ozo esi ada ubiam. Mmepe anya abughikwa uzo ozo esi e nwere onwe. Ubiam na mmegide na aga aka na aka, ebe ezigbo mmepe putara nwere onwe n'uzo ihe abuo a. Aburu m nke Afrika mutara ya n'uzo ihe isi ike, kwenye na, odighi mba ochichi onye kwuo uche ya gbara mgborogwu n'ime ya o buru na o topughi ndi ya abu nke ogbenye; odighi mba nwere ike mmpe na-ezie, ebe o bu na anapuru ndi ya ike.

Nsogbu ubiam, amaghi-ihe, oria na ogbaaghara ka jisi oru mmepe mba Afrika aka ike. O bu ihe itunanya n'okwu ochichi onye kwuo uche ya n'Afrika e nwele otutu odachi. Ihe na-anu oku n'obi bu mmasi ndi Afrika gosigoro maka aguu nke ochichi onye kwuo uche ya,n'agu ya , nkwudosike na-atughiegwu ndi ochichi nchigbu, mmeri ha n'ime otutu mba Afrika ebe ha na-akwadoro govumenti aka ya kwu oto. Nro anyi roro maka nwere onwe anyi mezuru, ma nro anyi roro maka ochichi onye kwuo uche ya kuru afo n'ala. Ekekle diri Chinkeke, anyi anogodele ndu wee hu ochichi onye kwuo uche ya ka o na agbasa ozo n'Afrika taa, ma n'agbanye kwa mgborogwu.

*UN Secretary Genral, Kofi Annan.,* Ghana Mail

## *Nkwekorita*

**Onu ogugu Ndi Oria Ebola Ji aka E Ruola Nari Mmadu Ano** **4mins. 5 secs.**

Ndi niile oria ojoo a bu, Ebola ji ruo onwa Dizemba di Nari mmadu ano. Onye oru ahuike siri na, otu Nari na iri mmadu isii anwuola n'ihi ajo oria ahu. Dr. Alex Opio, ji okwa Assistant Director, National Disease Control Centre siri na, madu abuo anwuola na mpahara ugwi nke Gulu, ebe mmadu abuo ozo nwuru na Masindi noo otu nari maili, iri maili abuo na ise North-West nke Kampala, Opio siri na-achoputara uzo oria a asaa ohuru otu oge ahu na Gulu, ebe oria a kachaa efesa. O gbakwunyere na, oria Ebola bizi ebi n.obodo Gulu, Masindi na Mbarara.

Oria a na-efesa-efesa emenyuola ndi oru ahuike di na Gulu anya. "Ka o di ugbua iri mmadu abuo na isii ndi oru ahuike eburule oria a" Opio siri, "n'ime mmadu iri na ato ndi nke nwuru na Gulu, ndi Nozu di iri na otu, otu onye dokita tinyere otu onye Clinical Officer. Ndi Nozu abuo na otu dokita ka oria a jidere ugbu a". site na mgbanye mmiri di mmadu n'ahu onye ozo ka e si ebute iba nke nje na-akapata oria Ebola. Oria a nwere ike i butere mmadu iba oke ogbugbo nke na egbukari mmadu. I ji mmiri ogwu eji egbochi mmiri ita mmadu n'ime ahu agwo onye oria a tagidere eze esepughi ukwu na aka nwere ike I mee ka onye ahu hara inwu.

*Associated Press*

**Umu Agboo Ewelitele Okwu Nkwusi Ibi Ndi Nwanyi Ugwu** **2mins. 8 secs.**

Umu agboo ntakiri abuo si Kenya, enwetala akwukwo ikike n'aka ulo ikpe I ji kwusi nna ha imanye ha ka ha gaa bie ugwu. Ulo ikpe a nyere nna umu agboo ahu bu Pius Kandie, onye oru ugbo noo na Simotwo Northern Kenya's Keiyo, ihe dika Nari maili ato, iri maili abuo North West nke Nairobi iwu, ka o' hara ikpoga umu agboo abuo ahu emume ibe ugwu omenala ha ga-eme n' abali itolu nke onwa Dizemba 2000. Daniel Ochenja bu Magistrate bi ebi na Keiyo, nyere Kandie na onye oru ya iwu ka ahara i be umu agboo abuo a noo n'ulo akwukwo sekondiri ugwu, ruo mgbe ekpechara ikpe a. Umuaka abuo a-Edna Jebet Kandie di afo iri na asaa na Beatrice Kandie di afo iri na ise gbara akwukwo n'ulo ikpe site n'aka onye okaiwu bu Nixton Sifuna. Onye okaiwu a kowara na, Kandie ebughi uzo mata echiche umuaka a, iga bee ugwu n'usoro iwu omenala Keiyo. Kandie kwuru na ya agaghi akwuru umuaka ahu ugwo akwukwo ozo o buru na ha ekweghi ka e bee ha ugwu.

*Panafrcan News Agency*

**Bow You Must: Oku ozo Akporo Maka Oru Ahuru Anya.** **5mins.**

Mbo ana agba I ji mee ka ndi nwoke na ndi nwanyi hara nhatanha nwetara agbam ume ozo n'abali abuo nke onwa Nuvemba 2000. O bu ubochi eweputarala ohaneze akwukwo akporo' Bow You Must", nke Adaokere Agbasimalo dere maka I nye umu nwanyi ikike. Otutu ndi onu na-eru n'okwu n'ala anyi biara emume a kwuputara uche ha n'okwu mbulite onodu ndi nwanyi.

Nime akwukwo "Bow You Must". Agbasimalo dere akuko a na emetu n'obi site n'ihe o mutara dika onye mkpokota oru n'ulo oru John Hopkins University gbasara omume ojoo ana emeso ndi nwanyi n'ime mba ndi ahu na emepe-emepe n'uwa. Akwukwo a kowara okwu di iche-iche dika I ji ike mee mmekorita nwoke na nwanyi, ikpaoke, inapu oke ruru onye, ita nwanyi isimkpe ahuhu di egwu na ihe ndi ozo. "Bow You Must" bu akuko gbasara Meriye, nne nwanyi n'arusi oru ike, onye ndu otu ndi inyom, agbanyeghi mpu gbara ya gburugburu juru ikwenye kama, gbaa mbo n'oru I ji gbanwee onodu ojoo ahu. Akwukwo a gbadoro ukwu i'nwe mgbanwe, karia ikwenye n'onodu a, agaghi adikwa mma ozo dika agha nke otu ndi inyom ga-eburu isi ya. Agha mgbanwe a ga-eweta ndu ohuru n'ime umu mmadu, ezigbo ndu maka ndi nwoke, ndi nwanyi na umuaka-mba mmegbu pere mpe n'ime ya, obere mpu, isopuru aburu nke onye ozo, ikwuwa aka oto na ezi agwa.

N'ime "Bow You Must," Agbasimalo mara ohanaeze aka n'ihu ka o gbakwuo mbo i ji kwalite onodu ndi nwanyi ma lebara uru o ga-abara ohanaeze anya. O bu oku akporo iji tinye okwu 'oru oku akporo onye obula, oku na-ewulite mmuo na ajuju a, I Ga-Ekwekwa?

## *Oge Akaraka*

**Akpom Oku Maka Nhoputa** **4mins 50 secs.**

The Global Health Council na-akpo gi oku ka izitere ya aha onye ibu n'obi maka onyinye nturu ugo akporo Global Health and Human Rights ehiwere naha Jonathan Mann. Nke a bu ohere nye gi iji hoputa akwaa akwuru – otu onye ma o bu ulo oru – bu okacha mma n'oru ahuike na oke ruru mmadu maka onyinye nturu ugo ehiwere maka Jonathan Mann. Ndi' n'aru oru a n'ime obodo tinyere ndi nke n'aru n'ogo mba na nke uwa, tozuru oke ikpoputa maka onyinye-a.

Onyinye a ga – abu n'onodu ego iji mee ka ndi natara ya nwee ohere iwagide oru ha nke oma. Joanthan Mann putara ighe n'oru mbuso ubiam na oria agha n'oge iri Centuri abuo. O gbasara ozi megide oria AIDS ma gbakwa mbo n'oru ndota oke ruru mmadu. O nwuru onwu mberede ugboelu nke Swissair flight III n'afo 1998. I ji cheta aka oru na ndu o biri n'uwa, otu Francois –Xavier Bagnoud, Dibia nke uwa, Global Health Council tinyere ezinulo Mann hiwere onyinye nturu ugo akporo Jonathan Mann award for a Global Health and Human Rights. Onyinye Jonathan Mann ana

e enye kwa afo, agba nke ato ga-adi ma onwa Mee gbaa abali iri ato na otu oge Global Health Council ga-eme ogbako agba nke iri abuo na asato o na-eme kwa afo. Ogbako nke afo a ga-amalite ma onwa Mee gbaa abali iri abuo na itolu ruo ubochi mbu nke onwa Junuu – O bu na WASHINGTON D.C. USA ka aga eme ogbako ahu.

*CFC*

**SA Ga-Eme Ogbako 2002 Maka Onodu Eluwa 6mins. 22 secs.**

Ngalaba oru nlekota gburugburu na ebe ndi ihe nkiri ndi njem di n'aka na mba South Afrika ekwuputala na, United Nations General Assembly on Environment and Sustainable Development (UNCED) ahorola South Afrika ka o lee obia maka ogbako Earth Summit aga eme n'afo 2002. Rejoice Mabudafhasi, Osoje Minista oru nlekota gburugburu ebe obibi na oru ihe nkiri ndi njem di n'aka siri na, South Afrika nwere afo ojuju na mkpebi i mee ogbako a n'ala Afrika. O bu na Johannesburg ka aga eme nzuko ahu. Mabudafhasi siri, "I mee ogbako onodu eluwa na, South Afrika bu nnukwu ihe nye ala Afrika dika isi okwu n' ogbako ukwu nke oru mmepe kwudosiri ike n'ala Afrika. N'onwa Feburuwari ka President Thabo Mbeki gwara otu United Nations na ya di njekere ilee mba ndi ozo obia maka ogbako a ana eme kwa afo iri amara nke oma dika "Earth Summit 2002". Ihe nribama di na ya bu na aga eme nzuko a n'ime mba na –emepe emepe n'uwa'. Otutu ndi isiochichi mba di iche-iche ga-abia ogbako a ihe ruru iri puku mmadu ano ga-eso mee. Onu ogugu ndi isiochichi mba di iche-iche mere ogbako a n'afo 1992 kariri otu Nari na iri ato. Aturuanya n'otutu n'ime otu Nari, iri asato na asato ndi otu UN ga-ezite kari ndi nnochite anya ha n'ogbako 2002 a. Ihe kariri puku iri na ise ulo oru ndi ahu na-abughi nke govumenti biara nzuko nke emere n'afo 1992.

Akuko yiri nke ahu e siri n'isi ulo oru UN weputa kwuputara banyere UN General Assembly. Ihe emere na Rio+10 ga-aburuzi isiokwu akporo "World Summit on Sustainable Development" Ehiwele komiti ano maka nkwado Rio +10. Nkwado nke mbu ga-amalite n'abali iri ato nke onwa Eperelu ruo abali abulo nke onwa Mee 2001. Aga eme ya na New York, nke soje ya ga adi n'afo 2002. Mme-mme a,na usoro nkwado ya gunyere ntinye aka di ire n'oru nke ulo oru ndi ahu na abughi nke govumenti (NGOS) na otu ndi ozo di iche-iche gbara okpurukpu, tinyere mkparita uka nke ndi so n'otu di iche-iche. A ga eji ohere nzuko a, deba aha ulo oru ohuru ndi a na-abughi nke govumenti nwere mmasi ituta eromero na Rio+ 10.

**E nyela Ulooru Ndi Ahu Abughi Ndi Govumenti 4 mins.**
**Hibere (NGO'S) Ikike Ibuso Mpu Ogu**

Izugbe ulooru ndi ahu abughi ndi Govumenti hibere na Naijiria nke a kporo Nigeria Network of Non Governmetal Organisations debere ogbako abali abuo n'osiso a n'ihi ihe ndi metutara ime mpu nakwa usoro ochichi obodo: Ihe ndi NGOa tuputara maka ibuso mpu ogu. Ndi hiri udu na Naijria dika Nobel Laureate Wole Soyinka, Okammuta Ransome Kuti nakwa imerekiti ndi ama-ama n'itu mgbereahia nakwa agumakwukwo so na ndi biara n'ogbako a kowara na mpu bu nnoo nnukwu nsogbu nke a gaghi enwe ike ikowaputa ma gosiputa n'otu olu nke nakwa egbochi mmepe ma juputakwa ebe di iche iche . A choputakwara na ejighi na-akwalitekwa mpu . N'ihi nke a, a tuputara na a gana akwu ndi oru bekee ugwo oru ha n'oge, a ga-ahukwa na ndi ochichi obodo gana ahukwa maka gburugburu ebe ha kwesiri ilebaanya ma hukwa na akuziiri ndi a maka usoro ochichi. lhe nhoputa di iri ato nke e mere nyere NGOs ikike iweputa uzo a ga-esi luso omekome a ogu, iweputa usoro ndebeiwu nakwa uloikpe kwuuru onwe ya nke ha ga-ahu maka ha.

Ogbako a nke ndi a kporo Democracy and Good Governance Program of the Embassy of United State of America huru maka ya biara na njedewe nakwa nchekwube, ndi NGOs niile biakwara kwere nkwe ijeghachi gwa ndi ha ihe ndi a tuputagasiri.

*CFC*

## *Onuogugu*

**Imechi Igba Nkiti Gbasara Akparamagwa Ike Nke A Na-Emeso Umunwanyi** **3mins. 10 secs.**

N'abali iri abuo n'ise nke onwa Novemba, n'afo 2000, otutu mmadu n'akuku uwa di iche iche so ndi umuafo obodo ndi ozo dika Annie Lennox, Dawn French, Amsley Harriott na Gaby Roslin wee mee ka ubochi a kporo "White Ribbon Day 2000" maka ilusi akparamagwa ike nke a na-emeso umunwaanyi puta ihe. E mere ka ngosi ndi a puta ihe.

Otu n'ime umunwaanyi ano n'enwe mmeso ike na ndu ha n'ebe obibi ha.
*British Medical Assoication 1998*

N'uwa dum, akparamagwaike nke umunwoke na- akpaso nwunye ha na-ebute onwu na ahu ezughi oke n'ebe umunwaanyi di n'agbata afo iri ano na ano gbadata karia oria Cancer, iba nakwa ogu (war)
*World Bank Discussion Paper*

Ndi uwe ojii n'obodo U.K. na-anata ikpo oku di puku na iri ato n'aka ndi e mere ihe ike n'ulo ha. Pecenti di iri asato n'otu na-esitekari n'aka umunwaanyi ndi umunwoke mesoro ihe ike.

Violence Research Programme, Univeristy of London, 2000

A ga enweta ihe nlereanya n'ogu a na ebuso akparanagwa ike n'ebe umunwaanyi no site na mbuso ogu ndi UN busoro oria AIDS nke a bu otu nsogbu nke umunwoke ga-egosi adimiche.
*CFC*

## *Ngalaba Umuaka*

**Gini Na-Ato Oke Ochi, Ketu?** **21mins.**

N'obodo Afrika, n'akuku ugwu nke di n'onwa, otu nwoke di nke aha ya bu Ketu. Onu juputere nwoke a obi. Nnukwu ihe ikpa ochi di ya n'ime. Mana o bu nke a dubara ya na nsogbu .Etu a ka o si me ………..

Otu ubochi Ketu nuru ka nkita ya na-agbo uja kao, kao n'azu ulo, o mere nchoputa wee hu na nkita a n a enye agwo nooro onwe ya nsogbu.. Ketu gboro nkita uja n'isi nke mere na o ji nwayo puo. Obere agwo ahu welitere isi ya elu ma si "Nwoke I meela. I nwere afooma. A ga m enye gi onyiye". Ketu chiri ochi tu-e, tu-e, tu-e, tu-e'. O juru si, "kedu ihe nwaahuhu dika gi nwere ike inye m"? Agwo ahu si, "Onyinye tumcham". (Magic gift) site taa gaba, I gana anu echemeche umuanumanu. "Mana I gaghi agwa onye o bula moobu I nwuo". O doghi Ketu anya na o udi onyinye ahu. O choro iju nke a. Mama obere agwo ahu emieleri ala fuo.

N'abali ahu nwunye Ketu, Nyaloti tinyere nwa ha na nkata nke ha ji me akwa. O kpafanyere ihe na-eme ka umuaka ghara ibe akwa nke e jiri olu ntakiri mbele wee mebe n'onu nwa a. O guguru nwa a, orahu ura. Ketu wee mechie uzo. Ya na Nyaloti dinere ala n'akwa ha di ala nke di n'akuku ahu aja ke ulo ha. Obere oge ha anu ka anwunta na-aga zeee na gburugburu onuuzo. Ketu nuru ka o kwuuru onwe ya si. A ma m na ha no n'ime ebe ahu! Ndi buru ibu madikwa pokopoko! Mana a hughi ezi mkpaka n'ahu ulo nke zuru ezu! "Ketu chiri oke ochi ma dara nda ochi dapu n'akwa ya GU-MAPP. Nyaloti etie, "Gini na-ato oke ochi, Ketu?" Ketu asi, "O nweghi ka o na- arighachi kwa n'akwa. O nweghi ike agwa ya.

O bere oge oke anwaa onuuzo. O nweghi ike ibata mana ohuru onu di n'elu ulo ma siri ebe ahu bata Ntakiri ukwu oke ahu na-aga ta, ta, ta, n'ihu n'azu nakwa ahu ala ulo ahu. Ketu wee nu ka o kwuuru onwe ya si, Amakwa m noo ebe nwanyi di etu a n'edewe bota (butter) ya. Ketu adapu n'ochi, kye, kye, kye!. O wee malie n'akwa Nyaloti-Twum-n'etiti Nyaloti! Owee tie mkpu," A-a, a-a! wepuru m oke a!". Oke a arigoro n'ahu ulo ma si ebe ahu gbaba n'ime onu.

Nyaloti anodu odu n'akwa. O wee si "Ketu echere m na o bu oke ochi gi mere ka oke ahu magoro m n'elu?". Kedu ihe na-ato gi ochi? Ketu asi, onweghi".

N'ubochi na-esote nke a, ketu siri n'ulo anu weputa ehi ha ka Nyaloti miputa mmiriarachi obere oge o huru ka nwunye ya ji efere e meputara site na mpekele mbele na-abia. Ehi ahu hukwara ya Ketu wee nu ka o siri onwe ya. Lee ka o na- abia izuru arachi m! Taa, a gaghi m agbaputa arachi o bula. Nwa m ga-anu ya ma e mesia!" Ketu achia ochi ge-e, ge-e, ge-e! O chiri ya n'ike nke mere na ehi ahu jiri ujo gbapu.

Nyaloti budatara efere ahu o ji cho itinye mmiriaraehi ka o nwee ike ijiri aka abuo baara di ya mba nkeoma. O si, "kedu ihe na-ato gi oke ochi? Ugbua I meela ka ujo tua ehi a site n'ochi nzuzu gi. O bu m ka I na-achiochi? Ketu si ya" mba. Ka o gaara ije puo. "O dighi" Ehi ahu enyeghi mmiriarachi o bula. Nyaloti enwetaghi ihe o bula n'efere ya mana nwa aturu a nugidere afo adu ya n'onu. O di ka o ma ekwumekwu nke a n- asi kama nri oma ga-afo, ka afo gbawaa. Na mgbede ahu oge imiputa mmiri arachi ruru, ehi ahu agbaghi ara ehi o bula Nyaloti kporo ketu si, Lee "arachi ozo aputaghikwa Nwa anyi ariawala oria n'ihi achomacho nke a. Nwaaturu a na- egbu nwa anyi.Ehi ahu anyagharia nnukwu isi ya ma lee Nyaloti anya . Ketu nukwara ka okwuru onwe ya si"Gini" nwam na egbu nwa ."Ketu acho ka oji onwe ya ka oghara ichi ochi. Ma ochi dapuru ya n'onu gug gug gug egwu jidere ehia o kpopu efere arachi nke mere ka o turuo danye n'unyi.. Nyaloti wee si "ugbua lee ihe i mere". Ngi na ochi nzuzu. A ga m agwa Eze-Obodo" Nyaloti gwara Eze. Eze kporo ketu na ndi amamihe ya n'ogba ikpe di n'etiti imè obodo. Nyaloti kpokwara nwa ya nke o bu n'ime nkata wee bia. Otutu ndi ozo biakwara igere ihe na-ese okwu.

Eze kwuru si ketu, nwunye gi gwara m na i na –achi ochi o bulaghidi mgbe o nweghi ihe na-ato ochi mere. O bu eziokwu? Ketu a si o, Eze, anaghi m achi ochi enweghi ihe kpatara ya. Mana e nweghi m ike ikota ihè na ato m.

O buru na m mee nke a, aghaghi m inwu. Eze etipu si Nkahieerii "ikwu okwu enweghi ike igbu onye o bula!". Nyaloti ekwuo si, o na achi m ochi, Eze. O bu soso m na-ano oge a". Ketu asi "mba" o bughi nke ahu.

Eze wee juo ya si, o buru na inaghi achi nwunye gi ochi gini ka i na achi ochi otu onye eti mkpu si, "gwa anyi Ketu. Anyi onwe anyi chokwara ichi ochi "Eze wee si Ketu o buru na i gaghi agwa anyi, nwunye gi ga- akporo nwa unu laghachi be nna ya." Isi Ketu wee lodata. O liri mkpisi ukwu ya n'aja di ya n'ukwu omaghi ihe o ga eme. N'otu ntabianya ahu, nwa ebido kwara akwa ke-yaa, ke-yaa, ke-yaa. Ketu huru ka Nyaloti ji wee wetulota nkata ma hanya omaricha nwa ha mgbochiakwa enyere ya a na-ahu bele bele na obere aka ya nke gbakwara agba. Otu akaahu ketu amara na ihe o bula huru mee, o gaghi ekwe ka nwunye ya na nwa ha laa. O wee koputa maka obere agwo, onyinye tuncham (magic gift) nakwa echiche umuanumanu ahu nke na-ato ochi.

O wee daa KWAM! Nwuo, otu n'ime umunwoke ndi amamihe ahu nke dikarichara n'okenye wee tie si. "Lee!" Anyi emeela ka o mee ihe o kwesighi imè. O wee jiri ndu ya kwuo ugwuo. Nyaloti na imerekiti umunwanyi ndi ozo wee kwara akwa wolu, wolu, wolu! Eze wee fee isi kpaka kpaka namwute.

N'otuanya-ahu obere agwo ahu ewee puta. O weere isi ya na –amukesi amukesi dokwasi n'isi ketu. Ketu mepere anya ya. O weliri isi ya osiso wee hu ka ntakiri agwo a ribara n'ime ahihia. O nuru ka o siri onwe ya o bu ka ha di. "Ha agaghi ekwe nwoke zowe ihe?" Ketu achia kye. Kye, kye! O na-adaghari n'ala n'ochi Nwoke nke bucha okenye n'ime umunwoke ndi amamihe hudatara wee juo "Gini na-ato oke ochi Ketu?" Eze etie si "A jula ya nke a". Nyaloti wee si" Chia ochi etu i nwere ike Ketu. A gaghi esekwa okwu maka nke ahu ozo.

Mmadu niile wee chiwa ochi. Ha chisiri ochi ike nke mere na egwu biara nwa ahu. Ka a na-anu uda ochi ka a na-anu akwa nwa na-ebe ke-yaa, ke-yaa, ke-yaa.

## *Okwu Mgbake Di Okpurukpu*

Okwu ncheta di okpurukpu sitere na ADF 2000 nke a ka-emechara:

N'oge nke teknuzu nke nkwuputa ihe ndi na-emegasi ebe di iche iche (informative technology) ka anyi nwe mmeri buru ihe na-edu anyi. Oburu na anyi tinye uchu ma kwusie ike, anyi ga-enwe mmeri.

Onyeisi ochichi obodo Zambia n'oge gara aga, Kenneth Kaunda na-agba ndi Afrika ume n'ogu nke a na-ebuso oria AIDS.

A gaara anabata ego mbibi ma o buru na oria AIDS adighi, mana a gaghi eme nke a n'uwa ebe AIDS juru eju bara abara.

Michael Kelly, otu n'ime ndi biara n'ogbako ADF 2000 kwuputara maka ime ka ugwo obodo ji di mpe (debt relief for African Countries)

Iwe di umutorobia maka aguu, ugwo ojiji (debt) na akparamagwa ndi a na-emeso ufodu ndi mmadu n'obodo, ndi adabaghi (social injustice) Genevieve-"Global Youth Connection' otu n'ime otu nnoko umuntorobia n'ogbako ADF 2000.

Okwu amamihe obodo Afrika ndi mgbeochie…..

Okuko na-achoghi ndumodu na-anu ihe n'ime ite ofe.
*Guinea*

E mee ngwa, e meghara odachi
*Ghana*

Ezigbo ndumodu di mma nnyefe
*Uganda*
*More African Proverbs*

**C F C na agoro ndi niile na-agu Change Redio ofo oganihu n'oge a.**
**Afo Ohuru Oma.**